Gaa na www.jw.org/ig danloduo ya JW.ORG™

Josef Zọrọ Ndị Mmadụ Ndụ

JENESIS ISI 41-50

www.jw.org/ig © 2013 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

FERO MERE JOSEF **ONYE NA-ESOTE EZE** N'ALA IJIPT.

JOSEF **CHỊKỌTARA IHE ORIRI MA DOWE** YA KA **AGỤỤ GHARA IGBU** NDỊ IJIPT MA NRI HA GWỤ.

OTU ỤBỌCHỊ, **ỤMỤNNE JOSEF NDỊ NKE OKENYE** BỊARA IJIPT KA HA ZỤTA IHE ORIRI MAKA EZINỤLỌ HA NAKWA MAKA NWANNE HA NKE NTAKỊRỊ BỤ BENJAMIN.

MA HA **AMATAGHỊ** JOSEF.

AMAGHỊ M MA **OBI Ọ KA FERE ỤMỤNNE M AZỤ** KA HÀ AGBANWEELA.

M GA-ELE HA ULE KA M MATA MA HÀ AGBANWEELA.

Ọ BỤRỤ NA UNU BỤ NDỊ UNU SỊ NA UNU BỤ, LAANỤ GAA KPỌTA **NWANNE UNU NKE KACHA NTA.** MA, M GA-ATỤBA OTU N'ỤLỌ MKPỌRỌ RUO MGBE UNU GA-AKPỌTA YA.

IHE MERE IHE A NIILE JI EME ANYỊ BỤ N'IHI **IHE ỌJỌỌ ANYỊ MERE JOSEF NWANNE ANYỊ.**

www.jw.org/ig © 2013 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

ỤMỤNNE JOSEF MECHARA KPỌRỌ **BENJAMIN LAGHACHI** IJIPT.

ONYE A Ọ BỤ NWANNE UNU?

JOSEF LEKWARA ỤMỤNNE YA **ULE** ỌZỌ.

ZOO **IKO ỌLAỌCHA** M N'AKPA BENJAMIN . . .

N'ECHI YA, KA ỤMỤNNE JOSEF NỌ N'ỤZỌ **NA-ALA . . .**

OLEE IKO **NNA ANYỊ UKWU?**

IKO OLE NKE?

IKO A.

A KPỌỌRỌ HA LAGHACHI N'ỤLỌ JOSEF.

MA, NWANNE BENJAMIN AHA YA BỤ **JUDA** RỊỌWARA JOSEF ARỊRỊỌ . . .

BIKO, JIRI **MỤNWA** MERE OHU MA HAPỤ BENJAMIN, M GA NA-EJEKWARA GỊ OZI.

GỊNỊ KA A GA-AKPỌ IHE NKE A UNU MERE? UNU BỤ NDỊ OHI. BENJAMIN **GA NA-AGBAZIRI M OHU.**

www.jw.org/ig © 2013 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

UGBU A, O DOOLA JOSEF ANYA NA ỤMỤNNE YA **AGBANWEELA.**

ABỤ M **JOSEF.**

CHINEKE ZITERE M EBE A KA M MEE KA UNU NWEE IHE UNU GA-ERI KA UNU **GHARA ỊNWỤ.**

IHE NKE A **ỌỌ NÁ NRO KA ỌỌ N'ÌHÈ?**

IHE NKE A **Ọ NA-EME N'ỤWA A?**

MA, ỌỌ EZIOKWU. ỌỌ JOSEF.

PAPA JOSEF NA ỤMỤNNE YA NA NDỊ EZINỤLỌ HA NIILE MECHARA BỊA **BIRI** N'IJIPT. JOSEF **EKWEGHỊ KA IHE ORIRI KỌỌ HA.**

HA NA NDỊ EZINỤLỌ HA BIRI N'IJIPT RUO **IHE KAṚIṚỊ NARỊ AFỌ ABỤỌ.**

OLEE IHE ANYỊ MỤTARA N'AKỤKỌ JOSEF NA ỤMỤNNE YA?

MGBE JOSEF MATARA NA ỤMỤNNE YA AGBANWEELA, OLEE OTÚ O SI **MESO** HA?

EBE GA-ENYERE GỊ AKA: JENESIS 50:19-21; 1 PITA 3:8, 9.

OLEE IHE JUDA MERE NKE GOSIRI NA **Ọ HỤRỤ** BENJAMIN NWANNE YA **N'ANYA?**

EBE GA-ENYERE GỊ AKA: JENESIS 44:18, 33, 34.

Ọ BỤRỤ NA MMADỤ EMEE GỊ IHE ỌJỌỌ, OLEE OTÚ I KWESỊRỊ ISI **EMESO YA?**

EBE GA-ENYERE GỊ AKA: 1 NDỊ TESALONAỊKA 5:15.

www.jw.org/ig © 2013 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania